lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Ọgaranya, Ogbenye



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Jizọs maara na ọtụtụ ndị ndú okpukpe hụrụ ego
n'anya karịa ka ha hụrụ Chineke n'anya.
Ọ kọwara ihe mere mmadụ abụọ, na
ihe mere na ọ baghị uru inwe akụ̀
na ụba ma wezụga Chineke.
Akụ na ụba enweghị ike ịzụta
ndụ n'ebe Chineke
nọ n'eluigwe.



O nwere otu nwoke ọgaranya nwere uwe mara mma nke dị oke ọnụ ahịa.  Ọ na-eji ejiji ka eze.



Ọgaranya ahụ rijukwara afọ nke ọma. Nri ya ọbụla dị ka a na-eme nnukwu oriri. O nwere nnukwu ego, ọ nwere ike ịzụta ihe ọbụla ọ chọrọ iri maka nri ụtụtụ, nri ehihie, nri anyasị - ma ọ bụ maka
nri iji ịtaghari ọnụ.



N'ọnụ ụzọ ámá nke ụlọ ọgaranya ahụ, bụ otu ogbenye, onye ọrịa, onye agụụ na-arịọ arịrịọ. Aha ya bụ Lazarọs.





Lazarọs a jupụtara n'ọnya. Ikekwe ọ bụrụ na o nwere nrịanrịa. O nwere ike ịbụ na ndị ọzọ merụrụ ya ahụ́. Ma eleghị anya, o nwere ọnyá n'ihi na o nweghị ezigbo nri o riri dịka mmiri ara-ehi, akwụkwọ nri maọbụ anụ.

Lazarọs chọsiri ike iri nri.  Ọ gaara enwe afọ ojuju site na irighiri ihe ndị si na tebụl ọgaranya ahụ daputa.



Nkịta mgbe ụfọdụ
na-akpaghari
n’akụkụ onye
ariri̇ọ ogbenye
a na-enweghị
enyemaka.  Ha
na-esi ya imi ma
na-arachakwa
ọnyá dị ya n’ahụ.
Ọ dị ka ọ dighị
onye ọ na-emetu
n’obi na agụụ
na-agụ Lazarọs.



Otu ụtụtụ,
Lazarọs etetaghị.
Ogbenye a nke
agụụ na-agụ,
bụkwa
onye aririọ,
na-enweghị
enyi, ahapụla
ndụ a.  Lazarọs
anwụọla.



Ọṅụ malitere nye Lazarọs ozugbo ọ nwụrụ.  Jizọs kwuru na ndị mmụọ ozi buuru ya gakwuru Abraham. Chineke kasiri Lazarọs obi.





Ọgaranya ahụ nwụkwara. Ego ya niile apụghị ịzọpụta ndụ ya.  Mgbe ọnwụ bịara, ọ dịghị onye nwere ike ịkwụsị ya.

E wee lie ọgaranya ahụ. Ikekwe, ọ bụ nnukwu emume olili ozu. Ikekwe ndị mmadụ toro ọgaranya ahụ maka ịbụ onye maara ihe na onye ihe gaara nke ọma. Ma otuto ha enyeghịrị ya aka. Ọgaranya ahụ wee nọdụ n'ọkụ mmụọ.



N’ọkụ mmụọ, ọgaranya ahụ tiri mkpu, sị, “Nna anyị Abraham, zite Lazarọs ka ọ mikpuo ọnụ mkpịsị aka ya na mmiri wee mee ka ire m jụrụ; n’ihi na m na-ata ahụhụ n’ire ọkụ a.”



“Na ndụ, ị nwere ihe niile ma Lazarọs enweghị ihe ọbụla,” ka Abraham chetaara ọgaranya ahụ. “Ugbua, akasiwo Lazarọs obi, ma ị na-ata ahụhụ. O nweghị onye puru ịgafe nnukwu olulu a dị n’etiti anyị na gị.”





“Zipu Lazarọs ka o jee dọọ ụmụnne m ise ndị ahụ aka ná ntị,” ka ọgaranya ahụ rịọrọ.  “Achọghị m ka ha soro bịa n'ebe ntaram-ahụhụ nke a.”



Abraham zara sị, “Umunne gị nwere Okwu Chineke.”  Ọ bụrụ na ụmụnne gị ise ahụ ekweghị n’Okwu Chineke, ha agaghị ekweta ma Lazarọs si na ndị nwụrụ anwụ bịa.



Mgbe Jizọs kọchara akụkọ banyere ọgaranya ahụ na Lazarọs, ikekwe ndị ndú okpukpe jụrụ onwe ha sị, “Àhụrụ m akụ̀ na ụba n’anya karịa Chineke?” Ugbua, ha amaarala ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ha egeghị ntị n’Okwu Chineke.



Ọgaranya, Ogbenye

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Luk Isi nke iri na isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.